Mbụrụ Anụmanụ Na-Ezipụta Nkwujọ N'asụsụ Igbo

Chinedu C. Ezebube
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
chinedu.ezebube@unn.edu.ng
Ogechukwu F. Chukwuneke
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
ogechukwu.chukwuneke@unn.edu.ng
Chioma M. Akaeze
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
chioma.akaeze@unn.edu.ng
&
Oluebube P. Chukwuma
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka

Ụmị

Nchọcha a nyochara mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo nakwa ịmata ihe mere e ji amado nkwujọ ndị a chọpụtara n'anụmanụ ndị ahụ. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'asụsụ Igbo nke a na-asụ na Naijiria iji nweta ngwa nchọcha. Atụtụ e ji mee nchọcha bụ atụtụ mmado mbụrụ/atụtụ mbụrụ ndịnechiche nke Lakoff na Johnson. Site n'iji atụtụ a, ọrụ nchọcha a gosiri na mbụrụ metụtara echiche ma bụrụkwa ụzọ mmadụ si akọwa etu o si ahụta ụwa o bi n'ime ya. Na nchọpụta e mere, a chọpụtara na e nwegasịrị mbụrụ ndịnechiche dị n'asụsụ Igbo. A chọpụtara na ịmadoro mmadụ njirimara anụmanụ abụghị naanị n'echiche ụbụrụ. Ọ bụ site na nkwenye omenaala gbasara anụmanụ. A kwalitere echiche ụbụrụ na nkwenye omenaala site n'etu àhụ́ anụmanụ áhụ̀ ha, etu ihu ya dị, njirimara anụmanụ ahụ, akparamagwa ha na etu anụmanụ ahụ na mmadụ si nwee mmekọrịta. Mbụrụ ndịnechiche ndị a chọpụtara gosipụtara nkwenye na nhụrụụwa dị n'asụsụ e nyochara n'ihe gbasara nkwujọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: Mbụrụ, anụmanụ, Igbo, nkwujọ

1. Ntọala nchọcha

Asụsụ bụ ngwaọrụ mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta. Ọ bụ otu n'ime mpaghara omenaala. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ na ibe ya si ezikọrịta ozi. Ọ dị mkpa ịmata na obodo ọbụla nwere asụsụ dị iche iche ha ji ezikọrịta ozi dịka etu ndị Igbo ji asụsụ Igbo ezikọrịta ozi, ndị Yoroba ji asụsụ Yoroba ezikọrịta ozi, ndị Awụsa ji asụsụ Awụsa ezikọrịta ozi dgz. Tupu asụsụ enwee asụsụ izugbe ya, ọ ga-enweịrị olundị dị iche iche. Asụsụ niile nwere echiche mana anaghị amacha mpụtara echiche ndị a kpọmkwem. Nkọwa nke a bụ na otu okwu nwere ike inwe ọtụtụ echiche site n'otu asụsụ gaa n'ọzọ. Ya mere na okwu ọbụla mmadụ kwuru nwere ike bụrụ nkwuma maọbụ nkwujọ. Nkwuma bụ okwu ndị na-akpalite mmụọ ndị mmadụ. E ji ya eme nkọwa maka ezi omume mmadụ na-eme ma jirikwa ya na-eto mmadụ/omume. Nkwujọ na-egosi asụsụ ndị e ji egosipụta ajọ ihe. Ọ bụkwa mgbe a na-akọcha mmadụ maọbụ akọwa ihe ọjọọ merenụ. Nkwuma na nkwujọ bụcha ụzọ ndị mmadụ si ezipụta echiche ha gbasara omume/akparamagwa. Nke a nwere ike ịbụ n'ụdị iji jaa/too ihe (nkwuma) maọbụ kwutọọ/katọọ ihe (nkwujọ). Ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkwujọ.

A bịa n'asụsụ e nwere na Naịjirịa, ha dị ọtụtụ. Ha gụnyere asụsụ Igbo, Yoroba, Igala, Awụsa, Tiv, Ibibio, Kalabari na Efik mana asụsụ a ga-agbado ụkwụ n'ọrụ nchọcha a bụ Igbo. Ekwube okwu banyere ndị Igbo, a na-atụkarị aka na ndị bị n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa nke gụnyere steeti Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. Mana Igbo dị ka akwụkwọ ụkpaka gbasara ebe niile na ndịda Naịjirịa ruo Niger-Delta nakwa etiti ugwu Naịjirịa. Ha bụ ndị na-asụ asụsụ Igbo ebe ọ dị ukwu. Ha nwere ọtụtụ ihe eji mara ha dịka ekike ha, nakwa nri ha na-eri. Amakwa ha dịka ndị ọrụ ugbo. Ha bụ ndị isi ojii. E ji ịchụ ego wee mara ndị Igbo. Akolisa (2020) kọwara na nri ha ụfọdụ gụnyere ji, ede, akpụ, achịcha, anyụ, ayaraya, abacha na ọka.

Mbụrụ bụ otu ụzọ asụsụ ndị akpọtụrụ aha n'elu si ezipụta echiche ha nakwa nsirihụ ụwa ha. Iji kwado nke a, Kövecses (2010) mere ka o doo anya na mbụrụ bụ nke a na-ahụtakarị na ndụ ma bụrụkwa nke mmadụ nkịtị na-eji akparịta ụka kwa ụbọchị. Mbụrụ bụ otu n'ime atụmatụ okwu e nwere nke na-eji otu ihe amado n'ihe ọzọ nke enweghị oyiyi nke mbụ. Ọ bụ ọnọdụ iwere ihe na-eyiteghị ihe tụnyere ihe

ahụ site n'ikwu na ihe ahụ bụzi ihe ahụ kpọmkwem. Iji maa atụ, e nwere ike inwe ekwumekwu - Adaobi bụ agwọ (ọmụmaatụ I). Ekwumekwu a bụ mbụrụ. Nke mbụ bụ na Adaobi na agwọ anọghị n'otu ogo. 'Adaobi' bụ mmadụ ebe 'agwọ' bụ anụmanụ na-arị arị. Ekwumekwu mere ka a ghọta Adaobi site n'iji agwọ. O nwere ike ịbụ na Adaobi maara ihe/ọ dị aghụghọ maọbụ na ọ naghị akwụnyere okwu ya.

Ọzọ, nchọcha a gbadoro ụkwụ na mbụrụ anụmanụ. Ezebube (2021) kọwara mbụrụ anụmanụ dịka ekwumekwu/ederede ebe a kpọrọ aha anụmanụ, ebe ya bụ aha anụmanụ anaghị arụ ọrụ nghọta nkịtị kama ọ na-enye aka ịkọwami akparamagwa/omume mmadụ. Mbụrụ anụmanụ nwere ike ịbịa n'ụdị nkwuma maọbụ nkwujọ. Nleghachi anya n'Ọmụmaatụ I ga-egosi na nzipụta Adaobi site n'iji agwọ nwere nkwuma na nkwujọ. Nhụta Adaobi dịka onye maara ihe bụ nkwuma ebe nzipụta ya dịka onye aghụghọ bụ nkwujọ. Nke a bụ ihe mere nchọcha a ji hibe isi n'inyocha mbụrụ anụmanụ e ji eziputa nkwujọ n'asụsụ Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ ichọpụta mbụrụ anụmanụ metụtara nkwujọ n'asụsụ Igbo nakwa ịmata ihe mere e ji amado nkwujọ ndị a chọpụtara n'anụmanụ ndị ahụ.

1.1.1 Ndubanye n'ihe bụ mbụrụ

Ihe ọtụtụ ma dịka mbụrụ bụ na ọ na-akọwa kpọmkwem ihe okwu bụ. A na-eji ya ezipụta ihe ihe bụ. Etu e si eji *dịka* maọbụ *ka* ezipụta myiri, etu a ka e si eji *bụ* ezipụta myiri. Maka nkọwa ga-edo anya, ọ dị mkpa ka anyị lee anya na nkọwa ndị ọzọ gbasara mbụrụ. Lakoff na Johnson (1980) kọwara mbụrụ dịka ịghọta na ịhụ otu ihe dịka ihe ọzọ. Ihe ahụ ga-enwe otu ihe n'ime agwara ndịnime ihe e ji atụnyere ya. Nkọwa Lakoff na Johnson na-egosi na mbụrụ na-egosipụta echiche nhụrụnuche na nsirihụ ndị mmadụ n'omenaala nakwa asụsụ dị iche iche. Miall (1982) sị na mbụrụ bụ ihe ọsụ asụsụ ọbụla ji arụ ọrụ ụbọchị niile. Nke a pụtara na mbụrụ bụ ihe a na-ahụta n'ekwumekwu kwa ụbọchị nke ndị mmadụ bi n'obodo.

Low (1988) nyere nkọwa ya gbasara etu mbụrụ si ezipụta echiche agbụrụ dị iche iche. Nkọwa ya bụ na mbụrụ na-egosipụta echiche na nghọta mmadụ si n'agbụrụ dị iche iche. Ndimele (1996) kọwara mbụrụ dịka atụmatụ uche nke na-eji mpụtara ihe anaghị eku ume wee tụnyere ihe na-eku ume. Radden (2002) mere ka a mata na mbụrụ bụ mgbe a sị na mmadụ, ihe, maọbụ ebe bụ ihe ọ bụghị, naanị maka na ha abụọ nwekọrọ otu agwara ndịnime. Barcelona (2000) zipụtara na mbụrụ bụ atụmatụ okwu nke na-eji otu ihe edochi anya ihe ọzọ nke ya na ya nwere otu

agwara ndịnime iji mee ka agwara ha nwere pụta ihe, ka ndị mmadụ wee ghọta ihe a na-ekwu. Finch (2000) na nkọwa ya kwuru na mbụrụ bụ atụmatụ okwu na-eji njirimara otu ihe atụnyere ihe ọzọ. Mbụrụ na-eme nke a site n'ihe abụọ yitere onwe ha n'agwara. Otu ihe pụtara ihe na nkọwa ndị e nyochara n'elu bụ na ụfọdụ ndị odee na-ahụta mbụrụ dịka atụmatụ okwu ebe ụfọdụ ndị ọzọ na-ahụta ya dịka atụmatụ uche/echiche. N'agbanyeghị nke a, ọ dị mkpa ịrụtụ aka na nke a abụghị isi sekpụ ntị n'ọrụ nchọcha a.

Halupka-Resetar na Radic (2003) mere nchọcha banyere mbụrụ wee sị na mbụrụ bụ atụmatụ okwu nke a na-eji atụle ma na-aghọta ihe abụọ na-eyighi onwe ha, site n'iwepụta agwara zoro ezo ha abụọ nwekọrọ. Mbụrụ dịka Ngoesi (2004) kọwara bụ "atụmatụ okwu na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya bụzi ihe ọzọ iji gosi ka akparamagwa na ọdịdị ha siri bụrụ otu". Ọmụmaatụ Ngoesi nyere bụ: 'Obi bụ mbe'. Ihe ọ pụtara bụ na Obi na-akpa agwa dịka mbe. Ihe ndị ahụ e jiri mara mbe nke dabara adaba n'ihe ọmụmaatụ a bụ ịghọ aghụghọ; ya bụ na Obi na-aghọ aghụghọ. Ndị odee ndị a kwuru na mbụrụ bụ atụmatụ okwu e ji eme ntụle gbasara ihe abụọ na-eyighi onwe ha ma werekwa ihe abụọ na-anọghị n'otu ogo manyere ibe ha. Kövecses (2010:9) kọwara mbụrụ ụzọ abụọ - Mbụrụ nke ọdịnaala na mbụrụ nke ọlọrọọhụrụ. Mbụrụ nke ọdịnaala na-ezipụta mbụrụ dịka okwu ọchọmma nke ndị odee nka/agụmagụ ji achọ ederede ha mma. Ọ gara n'ihu wepụta ụzọ ise anabatara maka njirimara mbụrụ ọdịnaala. Ha gụnyere:

(i.) Mbụrụ bụ onwunwe nke okwu; ọ bụkwa ngwa sayensị asụsụ;
(ii.) A na-ejikwa mbụrụ arụ ụfọdụ ọrụ nkamma na ọchọmma;
(iii.) Mbụrụ bụ maka ihe abụọ yitere onwe ha nke atụlekọrịta ma chọpụta;
(iv.) Mbụrụ bụ okwu akpacha anya ma mara ụma jiri ya maka ekwumokwu. Tupu i mee nke a, ị ga-enwe onyinye amara pụrụ iche maka ime ya nke ọma; nakwa
(v.) E kwenyere na mbụrụ bụ atụmatụ okwu nke mmadụ enweghị ike ịgbanarị, anyị na-eji ya achọ mma pụrụ iche. Ọ bụghị otu ihe nke agaghị agbanarịnwu na mkparịtaụka kwa ụbọchị mmadụ, ya fọdụzie echiche na nchemiuche mmadụ.

Kövecses (2010) rụtụrụ aka na a bịa n'ihe gbasara mbụrụ ọlọrọọhụrụ, e sila n'ogo okwu ọchọmma gafee n'ogo nsinechiche. Kövecses (2010:10) kọwara na ọ bụ

echemeche a ka Lakoff na Johnson na-ezipụta na nkọwa ha gbasara mbụrụ, ebe ha rụtụrụ aka na:

(i.) Mbụrụ bụ onwunwe nke echiche, ọ bụghị nke okwu;
(ii.) Ọrụ mbụrụ bụ inyere aka weta ezi nghọta nye echiche, ọ bụghị maka ọrụ ọchọmma maọbụ mma;
(iii.) Mbụrụ anaghị agbadokarị ụkwụ na myiri;
(iv.) Mbụrụ bụ nke mmadụ nkịtị na-eji kwa ụbọchị n'enweghị mgbakasị ahụ ọbụla arụ ọrụ, ọ bụghị nke ndị nwere onyinye amara pụrụ iche;
(iv.) Mbụrụ, n'agbanyeghị na ọ na-enye karịa, ma bụrụkwa ngwa sayensị asụsụ e ji achọ mma, bụ usoro echiche na nchemiuche mmadụ nke agaghị agbanarịnwu.

N'eziokwu, echiche Kövecses (2010) dị n'elu gosiri n'uju, ọnọdụ mbụrụ dịka o si metụta etu e si ahụta ya ugbu a nakwa etu e si ahụta ya n'oge gboo. Ofomata (2013) na nkọwa nke ya kwuru na mbụrụ nwere ka o siri yitewe myiri n'ihi na ha abụọ na-atụle ihe abụọ atụle mana ihe dị iche na ha bụ na myiri na-asị na ihe dịka ihe ọzọ, ebe mbụrụ na-ekwu na ihe bụ ihe ọzọ. Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwara mbụrụ dịka atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ bụ nke e ji ekwu okwu n'ụzọ mkpuke. Ha gara n'ihu kọwaa na iji mbụrụ kwuo okwu maọbụ gwa mmadụ okwu na-eme ka ihe a na-ekwu ghara ibutere mmadụ na ibe ya esemokwu maọbụ tinye onye kwuru okwu na nsogbu.

2. Atụtụ nchọcha

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ mbụrụ ndinechiche iji nyochaa isiokwu ya. Lakoff na Johnson (1980) n'akwụkwọ ha nke a kpọrọ *Metaphors We Live By* tụpụtara atụtụ mbụrụ ndịnechiche. Ọtụtụ ndị ọkammụta na ọkankụzi na-eji ya atụcha ọrụ ha tụmadị na ngalaba amụmamụ asụsụ sayensị nke echiche. Etu o si metụta nchọcha nke ọlọrọọhụrụ a bụ na a na-ahụta atụtụ mbụrụ ndịnechiche na ngalaba ndị ọzọ na-abụghị naanị nke asụsụ. Lakoff na Johnson (1980) kwenyere na mbụrụ na-arụ ọrụ bara nnukwu uru n'ịkọwapụta ihe mmadụ bu n'uche. Atụtụ a mere ka ọtụtụ ghara ịhụ mbụrụ dịka ihe e ji achọ mma etu ndị ọdịnaala si hụ ya. Dịka Deignan (2005) na Saeed (2007) siri kwuo na site na senchuri gboo ruo na nke iri abụọ, mbụrụ na-ezipụta ọrụ gbara ọkpụrụkpụ n'asụsụ. Na mbụ, a na-eche na ọ bụ naanị n'abụ ka mbụrụ na-ejupụta mana atụtụ mbụrụ ndịnechiche na-ekwu na mbụrụ jupụtara n'ebe niile ma n'asụsụ ma n'emereme. Isi sekpụ ntị n'atụtụ

mbụrụ ndịnechiche bụ na mbụrụ na-ahazi echiche, bụrụ nke metụtara ihe a na-ahụ anya na nke anaghị ahụ anya ma bụrụkwa nke na-apụta ihe dịka omenaala ndị siri dị.

Mbụrụ ndịnechiche enweela ọtụtụ ntụcha na mgbanwe. Nke kachasị n'ime ha bụ ime ka mgbaama echiche gbasaa ọfụma. Nke a mere na mgbaama echiche a bụ ngwaọrụ asụsụ ka atụtụ a kwesịrị ịkọwa (Setälä, 2016:3). Ọzọ bụkwa ihe eserese e ji ezipụta agwara na etu e siri zipụta mpụtara mbụrụ kwesịrị ka ezipụta ya ma kọwaa ya nke ọma. Ọtụtụ jụkwara maka nnabata na ịchọpụta maka atụtụ mbụrụ nke gosiri na ọtụtụ amaghị maka ya. N'agbanyeghị ọghọm ndị a niile, e ji atụtụ mbụrụ ndịnechiche enyocha mbụrụ n'ihi na ọ na-ahụta mbụrụ ka echiche. Ya mere mbụrụ ndinechiche abụghị naanị maka ime nchọpụta n'asụsụ kama ọ gụnyere echiche na omume (Lakoff na Johnson,1980:4). Ọ na-enyere aka ịkọwa mmekọrịta dị n'etiti echiche na mmeghari ahụ nakwa etu e si eji etu mmadụ si emeghari ahụ akọwa ihe anaghị ahụ anya na ndụ.

Atụtụ mmado mbụrụ nke Lakoff na Johnson (1980) bụ nke na-akọwa na ihe niile mmadụ na-eme na ndụ bụ nke jupụtara na mbụrụ, ọkachasị n'ebe ekwumekwu na mkparịtaụka dị. Ọ na-arụtụkwa aka na mbụrụ abụghị naanị ngwaọrụ na nkaasụsụ e ji achọ agụmagụ mma, kama, ọ bụ ụzọ mmadụ nwere ike iji zipụta echiche ya ma kọwaa ndụ. Echemeche a mere ọtụtụ ndị ọchọcha ji akpọ atụtụ mmado mbụrụ 'atụtụ mbụrụ ọlọrọọhụrụ' n'ihi na ha kwenyere na ya bụ atụtụ ebuliela mbụrụ, wepụ ya naanị n'ogo asụsụ, ma webata ya n'ogo echiche na nghọta. Lakoff (1993) kọwara mbụrụ dịka ntụnyere, nke na-ebute mmado si n'otu ọdọ gaa n'ọdọ ọzọ. Iji mee ka nke a doo anya, tụlee ọmụmaatụ a: (Ọm. II) Chiamaka bụ ezi.

N'ọmụmaatụ a dị n'elu, Chiamaka bụ mmadụ, ebe ezi bụ anụmanụ. Nke a pụtara na 'Chiamaka' na 'ezi' anọghị n'otu ogo. Ihe pụtara ihe n'ọmụmaatụ a bụ na e ji ezi tụnyere Chiamaka, site n'ịmado akparamagwa/njirimara ezi n'Chiamaka. Na mbụrụ, a na-enwe ọdọ abụọ - ọdọ nzimozi na ọdọ nnara. Ọdọ nzimozi bụ ihe ahụ e ji mee ntụnyere maọbụ ihe e ji zie ozi ebe ọdọ nnara bụ ihe/onye a na-ekwu maka ya, nke a chọrọ ka a ghọta nke ọma.

3. Nchọcha ndị e merela n'isiokwu

N'agba nke a, a ga-arụtụ aka n'ọrụ ndị ọzọ rụrụla nke metụtara mbụrụ, anụmanụ, na asụsụ nke ga-enyere aka ịhụ mbọ na nchọcha ndị e merala na nchọcha ndị yitere nke a. D'Esmeralda (2014) nyochara mbụrụ anụmanụ metụtara ụmụnwanyị. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta nnọchite a na-anọchite ụmụnwanyị site n'iji mbụrụ ndịnechiche 'ụmụnwanyị bụ anụmanụ' na nkwenye gbasara abụmoke na nwaanyị nke a na-ezipụta n'ụzọ mbụrụ. D'Esmeralda (2014) gbadoro ụkwụ n'usoro ke kwọlitativu mee nhazi nchọpụta ya. O mechakwara jiri atụtụ mbụrụ ndịnechiche were mee ntụcha njiatụle ya. Site na nchọpụta ya, ọ chọpụtara na ụmụnwaanyị bụ anụmanụ. Ọ kọwara na ka e si ahụta anụmanụ dịka anụmanụ nke nta ebe mmadụ bụ anụmanụ nnukwu, etu a ka e si ahụta ụmụnwanyị dịka ndị e nwere ike ịgwa ihe ha ga-eme ma nọrọ n'okpuru; ndị kwesịrị ị na-erube isi. O ji ọmụmaatụ ihe atọ wee zipụta nke a – anụ ụlọ, anụ ugbo na anụ ọhịa.

Tippler na Ruscher (2017) mere nchọcha n'ihe gbasara nleda anya ụmụnwanyị site n'iji mbụrụ anụmanụ. Ebumnuche ha bụ ịmata etu mbụrụ asụsụ nke ụmụnwaanyị bụ anụ ntagbu na ụmụnwaanyị bụ anụ a na-atagbu si egosi akparamagwa mmekọ nwoke na nwaanyị n'ebe ụmụnwoke nọ. Ha ji ụmụnwaanyị na-agụ akwụkwọ na mahadum otu onye nwe nke dị na mpaghara ndịda nke Ameịka mee nchọcha. Tippler na Ruscher (2017) chọpụtara na mbụrụ anụmanụ abụọ ha jiri mee mgbado ụkwụ na nchọcha ha bụ (anụ ntagbu na anụ a na-atagbu) ga-egosinwu omume ụmụnwoke n'ebe ụmụnwaanyị nọ. Nke a gosikwara na a na-ezipụta omenaala ọkachasị n'ebe inwe mmekọ dị. Ya bụ ndịiche dị n'etiti ụmụnwaanyị na ụmụnwoke ebe ụmụnwoke nwere ikike n'ebe ụmụnwaanyị nọ. Ha chọpụtara na nwaanyị bụ ndị a na-achụ dịka nta etu ha si nọrọ n'okpuru. Tippler na Ruscher (2017) chọpụtara etu e si eji mbụrụ anụmanụ amanyere ụmụnwaanyị iji gosi nkwenye, iwu na usoro ha (ụmụnwaanyị) na-agbaso n'obodo ha.

Ezurike (2017) mere nchọcha gbasara nzipụta aha anụmanụ n'ụdị omenaala. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịchọpụta mpụtara na-eso anụmanụ dị iche iche ma ekwube okwu omume mmadụ na-eme n'asụsụ Naịjiria ma chọpụtakwa ndịiche dị na mpụtara ha n'asụsụ atọ gbara ọkpụrụkpụ dị na Naịjiria. Ọ gbara ụfọdụ mmadụ ajụjụ ọnụ, jirikwa akwụkwọ njụ ajụjụ, akwụkwọ e dere ede ụfọdụ dgz were mee nchọcha ya. Atụtụ ọ gbasoro bụ atụtụ Sapir-Whorf. Ezurike (2017) chọpụtara na ụfọdụ mpụtara anụmanụ na-esite n'asụsụ ebe a na-enwe ndịiche na

mpụtara mbụrụ anụmanụ n'ihi omenaala ha, ebe obibi ha, nkwekọrịta, ọrụ ha na-arụ na okpukperechi ha. Ndịiche a na-ebute nsogbu n'amụmamụ asụsụ n'ebe ọ dị ukwu ọkachasị ndị na-asụ asụsụ Bekee n'ihi na ebe ha si na gburugburu a na-amụ maka asụsụ abụghị asụsụ Igbo dị iche. N'iji atụtụ Sapir-Whorf, Ezurike (2017) chọpụtara na ụfọdụ mpụtara mbụrụ anụmanụ nwere myiri n'agbanyeghị asụsụ gbara gburugburu dị na Naịjirịa ebe otu asụsụ ga-enwe mpụtara dị iche nye asụsụ ndị ọzọ.

Umezi (2018) nyochara echiche mbụrụ anụmanụ n'asụsụ Igbo na n'asụsụ Bekee. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịchọpụta ma detuo echiche dị na mbụrụ anụmanụ n'asụsụ Igbo na echiche o nwere n'asụsụ Bekee iji chọpụta myiri na ndịiche dị n'etiti mbụrụ anụmanụ n'asụsụ abụọ a. Usoro ọ gbasoro bụ usoro ke kwọlitativu. Atụtụ mgbakwasị ụkwụ nchọcha ya bụ atụtụ njirimee. Ihe ọ chọpụtara bụ na ụfọdụ myiri dị n'etiti ha bụ na a bịa n'asụsụ Igbo nakwa asụsụ Bekee, ihe agwọ na-egosi bụ ekwesịghị ntụkwasị obi, agụ bụ ịkpa ike, ahụhụ bụ ipe mpe, agụ owuru bụ oke agụụ, ejula bụ ime nwayọọ. Ọzọ dịka ibe ya bụ na ọ chọpụtakwara na ndịiche dị n'etiti ha bụ: a bịa n'asụsụ Igbo, ihe atụrụ na-egosi bụ nzuzu, mana n'asụsụ Bekee, ọ bụ enweghị onwe. N'asụsụ Igbo, ehi bụ ibu ibu, mana n'asụsụ Bekee, ọ bụ nzuzu; n'asụsụ Igbo, ọkụkọ na-egosi ịgba mbọ mana a bịa n'asụsụ Bekee, ọ bụ ịtụ ụjọ ka ọ na-egosi. N'ikpeazụ, o mere ka a mata na mbụrụ anaghị ezipụta echiche nkịtị. Ya bụ na mbụrụ anụmanụ nwere echiche dị iche iche site n'otu agbụrụ ruo n'ọzọ, sitekwa n'otu asụsụ ruo n'ọzọ.

Ọ bụrụ na e lee anya na nchọcha ndị e nyochara, ndị ọchọcha ndị e nyochara ọrụ ha mere nchọcha gbasara mbụrụ tụmadị ka o si metụta asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ. Mana ha emeghị nchọcha gbasara mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo. Ya bụ nsogbu bụ ihe mere nchọcha a ji dị oke mkpa n'ihi na ọ chọrọ ịkọwami ihe ndị ọzọ akọwaghị.

4. Usoro nchọcha

Ụdi nchọcha a bụ nchọcha sọvee. Check na Schutt (2012) kọwara nchọcha sọvee dịka ụdị nchọcha a na-enweta site na ndị arọpụtara maka ịza ajụjụ nchọcha site n'azịza ha nyere banyere nchọcha. Nke a mere e ji gbasoro usoro nchọcha kwọlitetivu. Ebe e mere nchọcha a bụ n'ala Igbo. Ebe ọ bụ na nchọcha gbadoro ụkwụ na mbụrụ, e ji nzube a ma sere mmadu ise n'ala Igbo. Ọzọ, a gbara mbọ hụ

na ndị a họọrọ bụ ndị gbarala afọ iri anọ na ise gbagowe. E kwenyere na ndị a bụ ndị kwesịrị ịma ihe gbasara asụsụ ha nke ọma ma makwara ọrụ mbụrụ n'asụsụ. Ha dị ụmụ nwoke atọ na ụmụnwaanyị abụọ.

5. Ngọsipụta na ntụcha njiatụle

5.1 Ngosipụta mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ

N'ebe a, a ga-eji tebulu wee gosipụta anụmanụ ndị ahụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo. E depụtara nkwujọ iri abụọ ma gosipụta mbụrụ anụmanụ asụsụ a na-enyocha na nchọcha ji anọchi nkwujọ maọbụ atụnyere nkwujọ.

Tebulu 1 na-egosi anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo

S/N	Akparamagwa/omume na-ezipụta nkwujọ	Anụmanụ e ji egosi nke a n'Igbo
1.	*Ịta amoosu*	Ikwiikwi
2.	*Ikwu oke okwu*	Icheoku na asha
3.	*Nzuzu*	Atụrụ
4.	*Iru unyi*	Ezi
5.	*Ịgba n'iro*	Nkịta
6.	*Aghụghọ*	Mbe
7.	*Ịjọ njọ*	Ụsụ, enwe, adaka, ọzọdimgba
8.	*Izu ohi*	Egbe na oke
9.	*Obi ọjọọ*	Agụ na ọdụm
10.	*Isiike*	Ebule
11.	*Mpako*	Ọkpangala
12.	*Anyaukwu*	Mbe
13.	*Umengwụ /Ngana*	Ụkpana
14.	*Ekwesighị ntụkwasị obi*	Mbe, azụ, ogwumagala na agwọ
15.	*Ịsa ụsa*	Ezi
16.	*Ísì ọjọọ*	Nkakwụ
17.	*Nrafu*	Mbe na agwọ
18.	*Ịrahụ oke ụra*	Edi

5.2 Mmado mbụrụ anụmanụ n'akparamagwa mmadụ

Na nkeji a, a kọwara etu e si eji agwara anụmanụ amadoro mmadụ. E si n'asụsụ Igbo mee nke a ma chọpụta ka e si eji mbụrụ anụmanụ ndị a ekwu okwu n'asụsụ ndị e ji eme nchọcha. Wásniewska (2018) kọwara na anụmanụ bụ ihe a na-ahụ anya dịrị onwe ha nke mmadụ maara nke ọma. Nke a gosiri ihe mere e ji eji ha ama atụ ntụnyere ihe anaghị ahụ anya. Mbụrụ bụ obupụta ma bụrụkwa ozokpu. Ihe nke a pụtara bụ n'oge ụfọdụ, mbụrụ anaghị ebupụta agwara niile ihe ahụ e ji ezipụta ya nwere; kama o bupụta ụfọdụ agwara, o zokpuo ụfọdụ. A kpọrọ nke a iji mbụrụ rụọ ọrụ.

5.2.1 Ịta amoosu

Anụmanụ e ji ezipụta nke a n'asụsụ Igbo bụ ikwiikwi. Ịta amoosu bụ omume dị kemgbe ma zuo ụwa niile ọnụ nke dị ka mkpọrọgwụ n'ime mmadụ mana ọ chọghị ịpụ apụ (Sebald, 1978). A na-eji anụmanụ ikwiikwi ezipụta ụdị omume a. Candace (2019) kọwara ikwiikwi dịka anụ na-efe efe. O nwere ụkwụ abụọ na nku abụọ. Ha na-anọnwu n'ọnọdụ ọbụla. Ha bụ anụ na-ata ma na-eri anụ ndị ọzọ. Ebe ọ na-ejekarị bụ n'ili, ugbo, ebe tọgbọrọ n'efu dgz. E nwere ike ịhụta ya na ọ bụ ụdị agwa a o nwere mere asụsụ ndị a a kpọrọ aha n'elu ji were ya ezipụta amoosu.

5.2.2 Ikwu oke okwu

Anụmanụ e ji ezipụta ikwu oke okwu bụ Icheoku na asha. Ikwu oke okwu bụ akparamagwa e ji mara onye na-ekwu okwu ma mgbe o kwesịrị ikwu ma mgbe o kwesịghị ikwu okwu, ma ihe a gbasara ya ma nke a gbasaghị ya. Ụdịrị mmadụ a ka a na-ahụta ka onye asịrị maka na ọ na-ekwu okwu ọbụla ọ nụrụ. *Animals Network Team* (2018) kọwara na icheoku na-ekwusi okwu ike. Nke a gosiri na otu n'ime njirimara icheoku bụ na ọ bụghị naanị na ha na-ekwu oke okwu, ha na-ekwu nke na-ada ụda. Asụsụ Igbo jikwa asha ezipụta ikwu oke okwu. Nke a bụ maka nkọmịrịkọ gbasara asha na nnụnụ ndị ọzọ gara ịchọ nri n'osisi. Asha kwukatara okwu ebe nnụnụ ndị ọzọ na-akpa nri. O ruo mgbe ha lara, ọ bụrụ na enweghị ihe asha tụtara naanị okwu ka ọ na-ekwu ebe ndị ọzọ bu nri ha laa. Ya mere asha ji bụrụ nnụnụ pere mpe.

5.2.3 Nzuzu

Anụmanụ e ji ezipụta ya n'asụsụ Igbo bụ atụrụ. Nzuzu dịka igwe nkọwa okwu *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) sịrị kọwaa bụ omume

na-egosi na mmadụ maọbụ na ihe amaghị ihe. A na-ahụ onye ahụ na o nweghị uche. Atụrụ dịka *Animals Network Team* (2018) si kọwaa bụ anụmanụ na-emekọ ihe ọnụ nke bụ na ha hụ ihe mberede n'ụzọ, ha agakọwa ọnụ; mana ewu agaghị eme otu ahụ. Ụdị akparamagwaa gosiri na atụrụ na-ezuzu ezuzu. Iji atụtụ mbụrụ ndịnechiche kọwaa nke a, a ga-ahụ na e nwere mmado si n'otu ọdọ gaa n'ọdọ ọzọ.

5.2.4 Iru unyi

Asụsụ Igbo ji ezi ezipụta iru unyi. Iru unyi pụtara mgbe mmadụ na-adighị adị ọcha tinyere adighị edowe gburugburu ọcha nke ga-ebute ihe na-ata ata maọbụ nke na-agba agba na gburugburu ahụ. *Animals Network Team* (2018) nyere nkọwa ha na ezi bụ anụ na-ebikọ ọnụ ma na-emekọkwa ihe ọnụ. N'ihi na ha enweghị akụkụ ahụ na-enye aka eme ka ahụ ha kpoo ọkụ, ọ na-abụ oge udummiri, ha ga-agagharị n'ime uzuzu ka ha nweta okpomọkụ. Ụdị agwa a zipụtara iru unyi ha na-eru. Ya mere na asụsụ niile e ji eme nchọcha a ji ezi ezipụta onye na-eru unyi. Dịka Lakoff na Johnson (1980) kọwara n'ihe gbasara ọdọ nzimozi na ọdọ nnata, e ji ezi akọwa onye na-anaghị adị ọcha.

5.2.5 Ịgba n'iro

Asụsụ Igbo ji nkịta ezipụta ịgba n'iro. Ịgba n'iro pụtara na ihe/onye na-enwe oke mmasị inwe mmekọ edina. E nwere ike ikpọ ya abalị-agba-aka. Onye ahụ maọbụ ihe ahụ anaghị ejide onwe ya ma mmasị inwe mmekọ edina bịara ya. N'ihi nke a, onye ahụ ga-edina onye ọbụla ọ hụrụ nke mere na e nwere ike ịkpọ onye dị etu a akwụna. *Animals Network Team* (2018) kwuru na otu n'ime njirimara nkịta bụ na ha na-enwe mmasị oge niile tụmadị oke nkịta ịga ka ha na nke nwaanyị ha nwee mmekọ. Nke a nwere ike ịbụ maka na nkịta dịka anụmanụ nwere akparamagwa ịgba n'iro.

5.2.6 Aghụghọ

Asụsụ Igbo ji mbe ezipụta aghụghọ. Aghụghọ bụ ime ihe na-abụghị eziokwu mana ị ga-eme ndị ọzọ ka ha kwenye na ọ bụ eziokwu. Ọ pụtara mmadụ ikpaso agwa iji dufuo onye ọzọ. E ji mbe ezipụta ịghọ aghụghọ. Mbe bụ anụ na-aga obere obere ma nwee okpokoro azụ o ji ekpuchi onwe ya. N'ihi okpokoro azụ ahụ, ọ gaghị akwụnwu ọtọ ka anụmanụ ndị ọzọ. Abịa na nkọmịrịkọ ndị Igbo, a maara mbe dịka anụmanụ na-aghọ oke aghụghọ. A hụtara nke a n'akụkọ mbe na anụmanụ ndị ọzọ gara eluigwe n'ihi ụganị.

5.2.7 Ịjọ njọ

Asụsụ Igbo ji ụsụ, enwe, adaka na ọzọdimgba ezipụta ịjọ njọ. Asụsụ Yoroba ji udele na slọọtụ ezipụta nke ha. *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) kọwara ịjọ njọ dịka ihe maọbụ mmadụ na-amaghị mma ile anya. Ịjọ njọ dị n'ụdị nke obi, nke ahụ dgz. mana nke a na-elebanye anya bụ nke ile anya ihu. Adaka, enwe na ọzọdimgba nọ n'otu ezinaụlọ. *Animals Network Team* (2018) kọwara na adaka bụ otu n'ime ezinaụlọ *hominidae* nke e nwere ike ịkpọ *great apes*. A maara ha dịka anụmanụ nwere ahụ mmadụ, nwee isi ojii, ha nwere aka toro ogologo nwekwa ikiri ụkwụ. E jikwa ajị mechie ahụ ha niile naanị ihu ha ka ajị ahụ emechighị. Ihu ha jọrọ njọ. Ya bụ na ha adighị mma ile anya. Ọ bụ maka nke a ka asụsụ Igbo ji eji enwe, adaka na ọzọdimgba ezipụta ịjọ njọ.

5.2.8 Izu ohi

Asụsụ Igbo ji egbe na oke ezipụta izu ohi. Izu ohi bụ akparamagwa jọgburu onwe ya. Ọ bụ ọnọdụ mmadụ iwere ihe na-abụghị nke ya. Izu ohi dịka *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) kọwara bụ mgbe mmadụ were ihe na-abụghị nke ya ma onye o weere ihe ya amaghị. Onye mere ụdịrị ihe a enweghị echiche iweghachite ya ọzọ. Alaspa (2018) na-ekwu na oke bụ anụmanụ nwere oghere iri ọtụtụ nri dị iche iche. Ha nwere ahụ na-enyere ha aka ịfigọ onwe ya wee gaa n'oghere maọbụ ahụ aja. Izu ohi a oke na-eme bụ ihe mere asụsụ ndị a ji eji oke ezipụta onye na-ezu ohi.

Egbe dịka *Chambers 21st Century Dictionary* (2001) siri kọwaa, bụ ụdị nnụnụ nọ n'ezinaụlọ nkwọ nke nwere nku toro ogologo ma pịa ọnụ. O nwere ọdụ ma na-efe efe nke ọma. N'ihi na ọ na-efe efe nke ọma, nke a mere na ọ na-ewere ihe masịrị ya mgbe ọbụla fegoo elu rie ihe ọbụla masịrị ya. E ji etu o si ebu nwa ọkụkọ wee zipụta etu o si ezu ohi. Ya mere ndị Igbo ji ya amanyere onye na-ezu ohi.

5.2.9 Obi ọjọọ

Anụmanụ e ji ezipụta nke a bụ ọdụm na agụ. Ọdụm dịka *Merriam-Webster Dictionary* (2020) kọwara bụ nnukwu nwamba ọhịa nke na-acha ụcha ọlaedona-acha aja aja. O nwere ajị siri ike n'ahụ ya. Ọ na-ebikarị na mba Afrịka. Igwe nkọwa okwu a gara n'ihu ịkọwa na a mara ọdụm dịka anụ na-adighị atụ egwu. Ọ bụ anụ siri ike, na-anaghị atụ egwu. Agụ bụ anụmanụ siri ike, anaghị atụ egwu, na-ewe oke iwe na-atụ ndị ọzọ ụjọ. *Chambers 21st Century Dictionary* (2001) kọwara agụ

dịka anụmanụ na-eri anụ mmadụ ma bụrụ anụmanụ kachasị n'ezinaụlọ nwamba. O nwere akparamagwa o ji ejide anụmanụ ọ chọrọ ijide. Anụmanụ a ka ndị Igbo ji ezipụta onye nwere obi ọjọọ.

5.2.10 Isiike

Asụsụ Igbo ji ebule ezipụta isiike. Ebule bụ óké atụrụ a ma ama na-ahụ ọgụ n'ime onwe ha. Landsberg & Deneberg (2014) kwuru na ebule na-alụ ọgụ ka o wee nweta ogogo nakwa n'ebe ha na-eri nri. Akụkụ ahụ ha ji amata onye ka n'ogogo bụ mpi ha na ahụ ha. Ha na-alụ ọgụ mgbe ọbụla a kpasuru ha iwe. Nke a bụ akparamagwa ha nwere nke bụ ime isiike. Ya mere na asụsụ Igbo ji eji ya ezipụta mmadụ ọbụla na-eme isiike.

5.2.11 Mpako

Asụsụ Igbo ji ọkpangala ezipụta nke a. Dịka *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) kọwara, mpako bụ inwe uche maọbụ iche na ihe maọbụ onye ahụ kachasị mmadụ niile. Ya bụ na ihe ọbụla o kwuru bụ nke e kwesịrị ime. Nke a bụ maka mma ọ mara maọbụ ego o nwere maọbụ ike o siri. *Animals Network Team* (2018) kọwara ọkpangala dịka anụmanụ mara mma nke ukwuu. Ọ dị n'ụdị nke oke dịrịkwa n'ụdị nke nwaanyị. Ọ nọ n'ezinaụlọ nnụnụ nku ha mara ezigbo mma. Ọdụ ya toro ogologo maa mma. Ọ bụ mma a ọ mara mere o ji nwee mpako n'ime ya. Ụdị agwa mere na ọtụtụ asụsụ na-eji ya ezipụta onye nwere mpako.

5.2.12 Anyaukwu

Asụsụ Igbo ji mbe ezipụta anyaukwu. Anyaukwu dịka *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) kọwara bụ mgbe mmadụ na-achọ inwe ihe karịa oke ọ ga-achịkwa mgbe ọbụla ọ na-achọ ọzọ. Ọ bụrụ na nri, ọ ga-achọ ka nke ya ka nke ndị ọzọ. Mgbe ọbụla, onye dị otu a na-achọ ka o megbuo ndị ọzọ ka o wee nweta ọzọ. Mbe bụ anụmanụ a maara nke ọma na-eme ụdịrị ihe a. Mbe bụ anụmanụ nwere oke amamihe eji emegbu ndị ọzọ. A hụtara ụdị akparamaagwa a n'akụkọ nkọmịrịkọ dị n'ụfọdụ asụsụ ọkachasị nke ndị Igbo.

5.2.13 Umengwụ

Asụsụ Igbo ji ụkpana ezipụta umengwụ. *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) kọwara umengwu dịka mgbe mmadụ na-enweghị ike ịrụ ọrụ. Ọ naghị achọ ihe ga-emekpa ya ahụ. Ụkpana bụ anụmanụ na-anaghị anụ ihe.

Ọ na-echi ntị oge niile. Ya ka ndị Igbo ji ekwu na ụkpana okpoko buuru ntị chiri ya. Ụkpana bụ anụ na-anaghị arụ ọrụ. A hụrụ ụkpana dịka anụmanụ na-agba oringo n'abalị. O ruo n'ụtụtụ, ọ rahụ ụra. Ọ bụ akparamagwa a ka ndị Igbo ji amanyere onye ụmengwụ dịka ụkpana.

5.2.14 Ekwesịghị ntụkwasị obi

Anụmanụ e ji ezipụta nke a gụnyere mbe, azụ, agwọ na ogwumagala. Ekwesịghị ntụkwasị obi pụtara mmadụ izipụta akparamagwa nke ga-eme ka ndị mmadụ ghara inwe ntụkwasị obi n'ebe ọ nọ. Nke a nwere ike ịbụ maka omume o mesoro mmadụ ibe ya ugboro ugboro. O nwekwara ike izipụta onye na-agharịpụ mmadụ. E ji mbe egosipụta nke a.

Animals Network Team (2018) kọwara azụ dịka anụmanụ na-amị amị ma a chọọ ijide ya. N'ihi akparamaagwa a, e nwere ike iji azụ kọwaa onye na-ekwesịghị ntụkwasị obi. Ihe ndị Igbo ji mara azụ bụ ekwesịghị ntụkwasị obi. Ya bụ na a sị na mmadụ bụ azụ, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ anaghị eme ihe e ji atụkwasị ya obi. *Animals Network Team* (2018) kọwaara ogwumagala dịka anụmanụ na-agbanwe onwe ya ma ọ hụ ụcha ihe. Asụsụ Igbo na-ejikwa ogwumagala ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi. Nke a nwere ike ịbụ maka na ogwumagala dịka anụmanụ nwere akparamagwa ekwesịghị ntụkwasị obi.

5.2.15 Ịsa ụsa

Anụmanụ e ji ezipụta nke a bụ ezi. Ịsa ụsa pụtara mmadụ iri nri oge niile maọbụ inwe akpịrị ogologo. *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English* (2010) kọwara ya dịka omume iri na ịṅụ mgbe niile. Nri onye dị etu a riri anaghị eju ya afọ. Ọ ga-achọ ka ọnụ na-emegharị mgbe niile. Ọ naghị asọ maọbụ ajụ nri. Ezi bụ anụ na-ebikọ ọnụ ma na-emekọkwa ihe ọnụ. Ha na-eri nri ọbụla e nyere ha. Ha adịghị asọ nri. Ụdị agwa a zipụtara ịsa ụsa. E ji ezi akọwa onye na-eri na aṅụ mgbe niile. Ọzọ kwa, ezi bụ anụ a maara n'iri oke nri. Nke a nwekwara ike iso n'ihe mere e ji ezi egosi ịsa ụsa.

5.2.16 Ísì ọjọọ

Asụsụ Igbo ji nkakwụ ezipụta nke ha. Ísì ọjọọ pụtara na ihe anaghị esi isi ọma. E nwere ike ịkọwa ya dịka ísì jọrọ njọ. Ọ naghị adị mma mmadụ ịnụ ụdịrị ísì a. *Animals Network Team* (2018) kọwara nkakwụ dịka anụmanụ nwere imi toro

ogologo. Mgbe ọbụla nkakwụ gafere, ọ na-enwe ísì ọjọọ e ji mara ya. Ya bụ na mmadụ nwere ajọ ísì ka e ji nkakwụ amanyere. Mkpi nwekwara ísì adịghị mma. E ji ísì ọjọọ mara mkpi. Ọ bụ ụdị agwara a mere e ji eji mkpi atụnyere ísì adịghị mma.

5.2.17 Nrafu

Asụsụ Igbo ji mbe na agwọ ezipụta nrafu. Nrafu bụ ọnọdụ mmadụ na-akpa agwa jọrọ njọ nke na-eme ka onye ahụ kweta ihe abụghị eziokwu. Nrafu metụtakwara iduhie mmadụ n'ihe na-abụghị eziokwu. Mbe bụ anụmanụ a maara nke ọma ka onye nrafu. O nwere ike ịnọ ọtụtụ ụbọchị n'ime okpokoro ya nke ga-eme ka e chee na ọ nwụọla. O ji akparamagwa a eduhie nakwa arafu ndị mmadụ nakwa anụmanụ ibe ya. Abịa na nkọmịrịkọ ndị Igbo, a maara mbe dịka anụmanụ na-arafu ndị ọzọ. Agwọ bụ otu n'ime anụ na-akpụ akpụ. A ma agwọ dịka anụmanụ nwere ihe na-egbu egbu n'ọnụ ya. N'akwụkwọ nsọ, e gosiri agwọ dịka onye nrafu. Na Jenesis isi nke atọ amaaokwu nke mbụ, a kọwara agwọ dịka anụ kacha arafu mmadụ. Na nkọmịrịkọ ndị Igbo, e ji agwọ egosi onye na-arafu mmadụ. Ihe ndị a mere e ji eji agwọ atụnyere mmadụ nwere ụdị agwa a.

5.2.18 Ịrahụ oke ụra

Anụmanụ e ji ezipụta nke a bụ edi. Ịrahụ oke ụra bụ mgbe mmadụ rahụfere ụra karịa etu o kwesịrị ịrahụ. Edi bụ anụmanụ nwere ụkwụ anọ. A maara ya dịka anụmanụ na-arahụ oke ụra. Ụfọdụ na-akpọ ya edi ụra. O nwere ike iji abalị abụọ rahụọ ụra. Asụsụ Igbo ji edi amado mmadụ na-arahụ oke ụra.

N'agba nke a, a kọwara etu e si eji agwara anụmanụ ezipụta omume mmadụ. E lere anya n'omume anụmanụ, etu ọ ha nakwa etu ihu ya dị. Nkọwa ndị a gosiri na okwu a na-ekwu na mmadụ bụ anụmanụ pụtara ihe n'asụsụ Igbo. E nwekwara mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na anụmanụ. Ọ bụrụ na ọ dịghị otu a, a kaghị ịhụta mmado mbụrụ n'akparamagwa mmadụ n'asụsụ e ji mee nchọcha.

6. Nchịkọta na mmechi

Anụmanụ ndị e wepụtara n'asụsụ Igbo e ji mee nchọcha a dị iri abụọ na atọ (23). Mbụrụ anụmanụ dịka ikwiikwi ka e ji ezipụta ịta amoosu; icheoku na asha ka e ji ezipụta ikwu oke okwu; atụrụ ka e ji eịzipụta nzuzu; ezi na-ezipụta iru unyi; e ji nkịta na mkpi ezipụta ịgba n'iro. E ji mbe ezipụta aghụghọ; e ji enwe, adaka, na

ọzọdimgba ezipụta oke ịjọ njọ. E ji oke na egbe ezipụta izu ohi. E ji ọdụm na agụ ezipụta obi ọjọọ. E ji ebule ezipụta isiike ebe e ji ọkpangala ezipụta mpako.

Anụmanụ dịka mbe ezipụta anyaukwu. Mbe, azụ, agwọ na ogwumagala na-ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi. Anụmanụ dịka ezi na-ezipụta ịsa ụsa. E ji atụrụ ezipụta amaghị akwụkwọ. E ji nkakwụ na mkpi ezipụta ísì ọjọọ**.** Anụmanụ dịka mbe na agwọ ezipụta nrafu. Anụmanụ dịka edi ka e ji ezipụta ịrahu oke ụra.

A chọpụtara na ịmadoro mmadụ njirimara anụmanụ abụghị naanị n'echiche ụbụrụ. Ọ bụ site na nkwenye omenaala gbasara anụmanụ. A kwalitere echiche ụbụrụ na nkwenye omenaala site n'etu àhụ́ anụmanụ áhụ̀ ha, etu ihu ya dị, njirimara anụmanụ ahụ, akparamagwa ha na etu anụmanụ ahụ na mmadụ si nwee mmekọrịta. Etu ahụ ya dị: E ji etu ahụ ụfọdụ anụmanụ ha dịka agụ, ọdụm, dgz gosi anụ ga-enwe obi ọjọọ. Ha ji etu ahụ ha dị emekpa ndị ọzọ ahụ. Abịa n'etu ihu ya dị, e ji anụ dịka enwe, adaka na ọzọdimgba ezipụta onye jọrọ njọ. Ọkpangala na-ezipụta mpako. Njirimara anụmanụ ahụ dịka ogwumagala nke enweghị otu ụcha. Ụcha ya dabere na gburugburu ọ nọ. Nke a gosiri ekwesịghị ntụkwasị obi. Akparamagwa anụmanụ ụfọdụ dịka ezi (iru unyi), nkịta (ịgba n'iro), mbe (aghụghọ na nrafu), edi (ịrahụ oke ụra), nkakwụ (ísì ọjọọ) ka e ji amado na mmadụ. Anụmanụ ndị a gosiri ụdịrị echiche ndị Igbo nwere nye anụmanụ ndị a nke butere mmado mbụrụ. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na e ji mbụrụ ezipụta nkwuma na nkwujọ mana nke nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya bụ nkwujọ. Ọzọ, e ji akparamagwa anụmanụ were ezipụta omume mmado.

Nchọcha a gosiri na iji anụmanụ gosipụta ọdọ nnata bara uru maka na ọtụtụ asụsụ ji ya ezipụta omume mmadụ n'obibi ndụ, ekwumekwu nakwa agụmagụ ha. Mbụrụ anụmanụ bụ ngwa e ji ezipụta omume mmadụ. Nke a bụ maka na amụmanụ sayensị kọwara na mmadụ na anụmanụ nwere njikọta. Ụfọdụ kwenyere na mmadụ na anụmanụ si n'otu ebe pụta.

Nrụmaka

Akolisa, U. (2020). Igbo history: Ndị Igbo si na ha abụghị Igbo na ihe kpatara ya. Nke e wetara na *https:www.google.com/Igbo/afirika-52896748.amp.* Ụbọchị 18/07/2022.

Alaspa, B. (2018). The essentials guide to rat. Nke e wetara na *www.jcehrlich.com*. Ụbọchị 25/11/2022.

Animals Network Team (2018). Animals. Nke e wetara na *www.animals.net*. Ụbọchị 23/11/2022.

Barcelona, A. (2000). *Metaphor and metonymy at the crossroads.* Berlin: Mounton de Gruyter.

Candace, B. (2019). Characteristics and behavior of owls. Nke e wetara na *https://www.carolina.com/teacher-resources/Interactive/information-on owl/tr11106.tr.* Ụbọchị 28/11/2022.

Chambers 21st Century Dictionary (2001). New Delhi: Allied Chambers (India) Ltd.

Check, J. & Schutt, R. K (2012). Survey research. Na: J. Check & R. K. Schut (Odz.), *Research methods in education* (ihu 159-185). Thousands Oaks, CA: Sage Publications.

D'Esmeralda, T. (2014). A critical study of the women are animals conceptual metaphor. Arụmarụ B.A., Department of English language, University of Murcia.

Deignan, A. (2005). *Metaphor and corpus linguistics*. Amsterdam: John Benjamins Publishing.

Ezebube, C. (2021). Gendered fauna metaphors in contemporary Igbo novels. Arụmarụ Ph.D, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Ezurike, I. P. (2017). Cultural conceptualisations of animal names: A semantic perspective. *Journal of the Linguistic Association of Nigeria*, (JOLAN), 20(2), 63-71.

Finch, G. (2000). *Linguistic terms and concepts*. New York: Palgrave Macmillan.

Halupka-Resetar, S. & Radic, C. (2003). Animal names used in addressing people in Serbian. *Journal of Pragmatics,* 35, 190 – 199.

Kövecses, Z. (2010). *Metaphor: A practical introduction* (2nd edition). Oxford: Oxford University Press.

Lakoff, G. (1993). The contemporary theory of metaphor. In A. Ortony (Ed.), *Metaphor and thought* (pp. 202-251). Cambridge: Cambridge University Press.

Lakoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphors we live by.* Chicago: University of Chicago Press.

Landsberg, G & Denenberg, S. (2014). Social behavior of sheep. Nke e wetara na *https://www.msdvetmanual.com/behabvior/normal-social-behavior-and-*

behavioral-problem-of-domestic-animals/social-behavior-of-sheep. Ụbọchị 27/11/2022.

Low, G. D. (1988). *On teaching*: Oxford: Oxford University Press.

Mbah, B. M; Mbah, E. E; Ikeokwu, E. S; Okeke, C. O; Ugwuona, C. N; Akaeze, C. M, Onu, J. O; Eze, E. A; Prezi, G. O & Odii, B. C (2013). *Igbo adị*. Nsukka: University of Nigeria Press Limited.

Merriam-Webster dictionary online (2020). Nke e wetara na *https://merriamwebster.com*. Ụbọchị 25/11/2022.

Miall, D. (1982). *Metaphor: Problems and perspectives.* New York: Harvester Press.

Ndimele, O. M. (1996). *An advanced English grammar and usage.* Aba: National Institute for Nigerian Language (NINLAN).

Ngoesi, M.C. (2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo*. Onitsha: Optimal Press.

Ofomata, C.E. (2013). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English (2010) (8th edition). Oxford: Oxford University Press.

Radden, G. (2002). How metonymic are metaphors? Na R. Dirven & R. Pörings (Odz.), *Metaphor and metonymy in comparison and contrast* (pp. 407-434). Berlin: Mounton de Gruyter

Saeed, J. I. (2007). *Semantics.* Oxford: Blackwell Publishers.

Sebald, H. (1978). *Witchcraft*: *The heritage of heresy.* New York: Elsevier Nortth Holland, Inc.

Setälä, T. (2016). Conceptual metaphor theory and pictorial representations of emotions: Anger, fear and pride in the comic serial *The Life and Times of Scrooge McDuck.* Arụmarụ M.A., University of Helsinki, Finland.

Tipler, C. N. & Ruscher, J. B. (2017). Dehumanizing representation of women: The shaping of hostile sexist attitudes through animalistic metaphor. Nke e wetara na*https://doi.org/10.1080/-9589236.2017.1411790*. Ụbọchị 18/07/2022.

Umezi, P. I. (2018). Echiche mbụrụ anụmanụ n'asụsụ Igbo na n'asụsụ Bekee. *Odezuruigbo Jonal*, 2(1), 129-155.

Waśniewska, M. (2018). A dog or a wolf – The role of connotations in animalistic metaphors and the process of dehumanisation. Nke e wetara na *journals.umcs.pl/nh/article/view/7021.* Ụbọchị 26/10/2022.

Ajụjụ ọnụ a gbara Prof. Chuma Okeke Ụbọchị 25/10/2022.

Ajụjụ ọnụ a gbara Ichie Uchenna Nnadozie Ụbọchị 27/10/2022.

Ajụjụ ọnụ a gbara Dr. C. C. Chukwuma Ụbọchị 29/10/2022.
Ajụjụ ọnụ a gbara Dr. Ebere Ihedigbo Ụbọchị 30/10/2022.
Ajụjụ ọnụ a gbara Oriakụ Amaka Obidigwe Ụbọchị 30/10/2022.